Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.6 No.1 March, 2023; p.g. 33 – 44; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

NTỌSASỊ AHA 'NWA' DỊKA O SIRI METỤTA ASỤSỤ NA OMENALA IGBO

OYEKA, CHIAMAKA NGOZI
Imeelu: chiamaka.oyeka@yahoo.com

&

ANYACHEBELU, ADAORA LOIS
Imeelu: dreamerad4@gmail.com
NGALABA ỌMỤMỤIHE AFRỊKA NA ESHỊA ALAKA ỊNKÀ MAHADUM LEGỌỌSỊ

ỊCHAFỤ

N'ebe ndị Igbo nọ, onye a mụtara ji ụgwọ ịmụta ibe ya. Ọmụmụ bụ ihe na-ame ka ụwa na-abasa. Nchọpụta na-egosi na ụfọdụ ndị ntorobịa ugbu a, ọ kachasị ndị na-eche na ha hụrụ uzo karịsịa ndị ọzọ na-agbasozi omenala dị anya n'ebe nke ndị Igbo nọ, site n'igosi na 'nwa/ụmụ' abụchaghịzị ihe kacha mkpa n'ezinaụlọ. Ụfọdụ ndị mụtara amụta enwekwaghị ohere ileru ha anya na inye ha ọzụzụ kwesiri ekwesi ka ha were bụrụ ụmụafọ Igbo n'ezie. Ọ bụ ụmara ụfọdụ ndị a kpalitere mmụọ ndị omenchọcha a ileru anya n'ọnọdụ 'nwa/ ụmụ'n'ebe asụsụ na omenala Igbo dị. Agụgụala na usoro obibindụ ndị Igbo na-apụta ihe n'aha ha na-agụ ụmụ ha. Nke a mere ndị omenchọcha a jiri kpebie ileru anya n'ahaaka metụtara 'nwa', iji chọpụta ọnọdụ 'nwa' na ndụ ndị Igbo. Ndị omenchọcha a nwetere njiede ha jiri mee nchọcha a site n'aha ụmụakwụkwọ ha na-akuziri na Mahadum Legọọsị dekọtara, tinyekwuoro ndị ha mabu dịka ndị Igbo. Nchọpụta gosiri na ndị Igbo dobere 'nwa/ụmụ' n'ọkwa dị ezi elu. Ọ bụghị naanị na ọ bụ ụmụ ha na-eleru ha anya n'agadi mana ọ bụ ha na-anọchi anya ha ma ha nwụọ nke ga-eme ka ama ha ghara ichi. Ndị Igbo hụrụ 'nwa /ụmụ' dịka nnukwu akụ onye ọbụla kwesiri ịkpata.

Ọkpụrụkpụ Okwu: Aha, nwa, ụmara, asụsụ, omenala, Igbo

Mkpọlite

Ahaaka bụ mkpuruokwu ndị nke e ji amata ndị mmadụ buga (Ọnukawa)[1].Dịka ọ dị n'omenala Igbo, mmadụ ọbụla nwere aha ákámkpa ya, nke e ji mara ya. Aha dị oke mkpa na ndụ ndị Igbo. Ọ bụ n'ihi ya ka ndị Igbo ji eme mmemme ịgụ nwa aha. Ịgụ aha bụ ihe a na-echemi echiche ime tupu e mee. Ubesie[2] tinyewanyere nkọwa site n'ikwupute ọkpụrụkpụ ihe ụfọdụ ndị Igbo na-elekwasị anya were agụ aha. Ha bụ: ahịa obodo, iyi di n'obodo, ihe na-eme na ndụ, dịrị gabazịa. Ọnụkawa[3] rụtụkwuru aka na ndị Igbo na-elere anya na nwa a mụrụ ọ bụ nwoke ka ọ bụ nwaanyị tupu a họrọ aha a ga-agụ ya. Ihe nke a ji dị nnukwu mkpa bụ na e nwegara aha ndị bụwaga nke ụmụnwoke na-aza ma nwekwa nke ụmụnwaanyị na-aza. Ọ bụ n'ihi nke a ka Igbo ji ekwụ n'okwu na 'Mgbeeke nwoke dị ntị njọ'. Ọ dikwa mkpa ịrụtụ aka na ọ bụ ọrụ kara dịrị nna ịgụ nwa ya aha.

---

[1] Monday Chibudo Onukawa, "Gịnị bụ aha Gị: Topical Isues on Personal Naming in the Igbo Society." *Inaugural Lecture of Abia State University*, 24th August, 2016.

[2] Tony Uchenna Ubesie, *Odinala Ndi Igbo.* Ibadan: Oxford University Press, 1978: 73.

[3] Onukawa, Gịnị bụ Aha Gị? 31.

O were anya na ndị Igbo na-agba mbọ inye mmadụ aha nwere isi nke na-egosi ihe nne na nna ma ọ bụ ikwu na ibe bu n'obi e wee mụọ ya bụ onye ma ọ bụ ihe ha chere maka ọdịnihu ha Ọgbalụ[4]. Nkọwa Ogbalụ na-egosị na ọ bụghị naanị site n'ahụmihe otu onye ka e si agụ nwa aha, kama na aha ọ bụla a ga-agụ nwa ga-abụkwa ihe ga-emetụta ebumnobi ikwu na ibe ya. Ndị Igbo kwenyesiri ike na aha onye na-achọga ya, ya bụ**,** na e nwere mmekọrịta dị n'etiti aha mmadụ naaza na ụdị ihe na-abiara ya na ndụ. Nzeakor[5] kọwara ya etu a:

> Mgbe mmadụ nyere nwa ya aha ọjọọ, ndị mmadụ kwenyere na ihe ọjọọ ga-achọga ya. Mgbe ẹ nyere mmadụ aha ọma, ihe ọma aghaghị ịkpọ ya ihu mgbe niile

Ọ bụ n'ihi nke a ka ndị Igbo ji akpachapụ anya tupu ha ahọta aha ha ga-agụ nwa. Ọ dighị onye chọrọ ibutere nwa ya chi ọjọọ site n'aha ọ gụrụ ya. Oge ụfọdụ, ọ na-abụ a gụọ nwata aha edochaghị ya anya, nwata dị etu a tolite, ọ hapụ aha ahụ nke edochaghị ya anya ma site n'aha ndị ọzọ a gụrụ ya, họrọ aha nke masịrị ya, mọọbụ o were aka ya gụgharịa onwe ya aha nke di ya mma. Ọbịbịa ndị ọcha na ekpemekpe ụka ha buru bịa mere na n'oge ugbu a, ịgụ aha abughịzị ihe a na-eme naanị n'ụlọ, n'ụbọchị nwaanyị pụtara n'ọmụgwọ. Ọ bụzi ihe a na-emekari n'ụlọụka di iche iche. Ndị mmadụ akọkwaala ọtụtụ akụkọ etu Ụkọchukwu siri jụ kpamkpam ụfọdụ aha nne na nna chọrọ ịgụ ụmụ ha ruo oge ha chepụtara aha ọzọ nke ndị Ụkọchukwu ndị a chere ka mma.

NWA/ỤMỤ NA NDỤ NDI IGBO

Nwa/ụmụ dị oke mkpa na ndụ ndị Igbo. Ọ bụkwanụ oge nwoke na nwaanyị biiri dịka di na nwunye ka ụmụ ha mụtara ga-abụ ndị ziri ezi n'anya ọhanaeze. Ọ bụ n'ihi mkpa nwa/ụmụ dị na ndụ ndị Igbo ka ha ji ekwukarị n'okwu, karịchaa, na mmemme ịlụ di na nwunye, na ihe a naacho n'ike ọkụ bụ azụ. Nke a gosiri na isi ihe e ji hibe alụmdi na nwunye bụ iji were mụta nwa/ụmụ. A na-agọkwa ọfọ n'alụmdi na nwunye, ka ndị na-alụ onwe ha mụta ma nwoke ma nwaanyị n'ihi na ndị Igbo kwenyere na nwa nwoke ọbụla nwere ọrụ nke dịịrị ya, etu a ka ọ dịkwa nwa nwaanyị. Dịka Ọfọmata[6] siri kọwa, "Di na nwunye na-amụtaghị ụmụaka anaghị enwe aṅụrị n'ihi na ha chọrọ ndị ga na-enyere ha aka n'ezinaụlọ…" E wezuga inye aka n'ezinaụlọ, ihe ọzọ nwa ji dị mkpa na ndụ ndị Igbo bụ iji hụ na agbụrụ ha echighị.

Ezinaụlọ ọ bụla n'ala Igbo na-agba mbọ ịmụta onye/ndị ga-anọchi ha. Ọ bụ mkpa ọ dị iji mee ka ezinaụlọ na-abawanye, na ka agbụrụ ghara ichi ka ndị Igbo ji alụ ọtụtụ nwaanyị. N'ebe ụfọdụ, ọ bụrụ na di na nwunye amụtaghị nwa, nwoke ahụ na-alụ nwaanyị ọzọ. Ọ bụrụkwanụ na nwaanyị nke abụọ amụtaghị nwa tupu di ha anwụo, e nwere ọtụtụ ụzọ ndị ụmụnna si enye ụmụnwaanyị ndị a nkwado ka ha lụta nwaanyị, onye ga-amụta nwa, ka e were hụ na ama ahụ echighi

Ebumnobi ọrụnchọcha a bụ ịtọsasị ahaaka ndị Igbo ndị 'nwa' dị na mmebere ha, iji chọpụta ebumnuche ndị Igbo n'ebe 'nwa' nọ, tinyere ịmata ka ụdị aha ndị a siri metụta asụsụ na omenala ndị Igbo.

---

[4] Chidozie Ogbalu, *Omenala Igbo. The book of Igbo Customs*. Lagos. Academy press, 1979: 45.

[5] TagboNzeakọ, *OmenalaNdi Igbo***.**Onitsha: University Press, 1976: 45.

[6] ChinedumOfomata, *Omenala na OdinalaNdi Igbo*. Enugu: Format Publishers, 2012:41.

NTULEGHARỊ IHE NDI E DERELA

E deela ọtụtụ edemede n'ihe gbasara aha dịka o siri metụta ndị Igbo. Ụfọdụ edemede ndị a dị n'ụdị akwụkwọ ebe e depụtara ụfọdụ aha ndị Igbo na-aza ma detuo nkọwa ụfọdụ n'ime ha, ebe ndị ọzọ lebara anya n'ụdị aha di iche iche dịka ahaaka, aha otutu na ahanna ndị igbo na-azagasị (Hụ Ụbahakwe[7], Ụbahakwe[8], Ọnụkawa[9]& Okafor, Emeka na Inyiama[10]).

E leruo anya n'ahaaka, ọtụtụ ndị odee edeela edemede na mpaghara ahaaka di iche iche dịka aha Ògbò (Hụ Emeka-Nwobịa [7]), aha ahịa (Hụ Ọnụkawa[8] na Oyeka[9]), aha metụtara 'chi','kwe', 'ọnwụ', dịrị gabazie (Hụ Ọnụkawa, 1999[10], 2000[11], 2003[12])

Ọrụnchọcha a gbadoro ukwụ n'aha metụtara 'nwa'.Ruo oge a malitere ide edemede a, ọ bụ naanị ọrụ Mataebere [13] bụ ọrụ ndị omenchọcha a bitenwuru aka metụrụ aka n'aha ndi metụtara

[7]Ebo Ụbahakwe, *Igbo Names: Their Structure and Meaning.* Ibadan: Day Star, 1981.

[8]Ebo Ụbahakwe, Culture Content of Igbo Personal Names. C. Ogbalụ and E Emenanjo (Eds.) *Igbo Language and Culture*. Ibadan: University Press, 1982: 27-39.

[9]Monday Chibudo Onukawa, Kwe-Names and the Complementary Dual Concepts in Igbo.*Igede: Journal of Igbo Studies,* 2000: 99-110.

[10]Emeka Okafor &T. Inyiama, *Igbo Personal and Title Names.* Enugu: New Generation Books, 2008.

ọmụmụ. Ọ bụ ezie na edemede ya bụ n'asụsụ Bekee ka o dere ya, o metụghị aka kpọmkwem n'aha metụtara 'nwa', kama o lebanyere anya n'aha Igbo ndị metụrara ọmụmụ n'izugbe ha. Ọrụnchọcha a dịtu iche n'ebe nke Mataebere [14] mere dị. Mbụ, asụsụ e ji eme ọrụnchọcha a bụ asụsụ Igbo. Asụsụ mba na-aka enye aka n'ịkọwapụta ebumnobi ha. Ọzọ, ebe ọrụ ya lebanyere anya n'ọmụmụ n'izugbe ya, ọrụnchọcha nke a na-agbado ụkwụ kpọmkwem n'aha ndị ahụ nwere 'nwa' na mmebere ha, iji mata ebumnuche ndị Igbo n'ebe 'nwa' nọ.

[7] N. Emeka-Nwobia, Dynamics of Onomastic in Afikpo Igbo Society. *Research on Humanities and Social Sciences*.Vol. 6. (12). (2016):95-103. (retrieved on 18/1/2017).

[8] Monday Chibudo Onukawa, An Anthropolinguistic Study of Igbo Market-Day Anthroponyms. *Journal of African Cultural Studies* Vol.11 (1). (1998): 73-83.

[9] Chiamaka Oyeka, Sexism in Names: A Critical Analysis of Male and Female Names in the Traditional Igbo Society. *Ideal International Journal of Igbo Scholars Forum, Nigeria*. Vol. 4(1), (2017): 9-24.

[10] Monday Chibudo Onukawa, Anthropolinguistic Evidence of the Evolution of Chi Names.*Igbo Journal of Asian and African Studies*, 58 (1991):383-395.

[11] Onukawa, Kwe-Names, 99-110.

[12] Monday Chibudo Onukawa, Death A Male-Specific Concept in Igbo Gender Naming. Lore and Language: Journal of the National Centre for English Cultural Tradition. Vol 17. (2). (2003): 93-100.

[13] Mataebere Iwundu, Procreation and the Igbo Thought Through Names, *Igede Igbo.*Vol. 1. (1).(2000): 87-98.

[14] Iwundu, Procreation and the Igbo Thought,87-98.

USORO ỌRỤCHỌCHA

Ọrụ nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ihe ndị omenchọcha a mabu dịka ụmụafọ Igbo. Ọzọ, Ụmụakwụkwọ ndị ha na-akuziri na Mahadum Legọọsị, site n'afọ 2018 ruo 2020 nyekwara aka idekọta aha 'nwa' na mpụtara ha, site n'obodo ha dị iche iche.

N'aka nke ọzọ, ndị omenchọcha a gbara ndị nkuzi ibe ha bụ ndị Igbo ajụjụọnụ iji chọpụta aha 'nwa' ha nwegara n'obodo ha tinyere mpụtara ha.Ụfọdụ akwụkwọ ndị e dere n'ahaaka Igbo nyekwaara ndị omenchọcha aka iji dee edemede a.

E keriri usoro edemede a ụzọ abụọ. Ụzọ nke mbụ tulere aha 'nwa' dịka o siri metụta ụtọasụsụ Igbo; ebe nke abụọ lebara ya anya dịka o siri metụta nkwenye na omenala ndị Igbo.

NTỌSASỊ AHA 'NWA' DỊKA O SIRI METỤTA ỤTỌASỤSỤ IGBO

Aha Igbo na-egosipụta echiche zuru oke. Dịka Ụbahakwe[15] siri kọwa, "… ndokọ ahaaka Igbo na nke e ji akparita ụka nkịtị bụ otu'. N'itinye ya n'ụzọ ọzọ, ahaaka Igbo na-apụta ihe n'ụdị ahịrịokwu nke na-enwe echiche na nghọta zuru oke. N'ebe a, a ga-ebugodu ụzọ lebaa anya na ndokọ aha 'nwa' tupu e leruzie anya n'etu o siri metụta akụkụ ụtọasụsụ Igbo ndị ọzọ.

NDOKỌ AHA 'NWA'

N'ebe a, a ga-eleru anya n'ụdị ndokọ di iche iche aha 'nwa' na-enwe. Leruo anya n'aha ndị a naesonu:

1. Nwá + ka¯ + ùgò
   Aha + isingwaa + aha
   Nwakaugo

2. Nwá + bù + ísí
   Aha + isingwaa + aha
   Nwabụisi (ije)

3. Chí + nà + è + nyé + nwa¯
   Aha + nnyemakangwaa + nganihu + isingwaa + aha
   Chinenyenwa

4. Ụ´zụ´ + á + kpụ¯ + nwa¯ Aha + nganihu + isingwaa + aha
   Ụzụakpụnwa.

E leruo anya na ndokọ aha ndị a e depụtara, a ga-ahụ na 'nwa' nọ na mbido dịka isiahịrị n'aha nke mbụ na nke abụọ. N'aha nke atọ na nke anọ, 'nwa' nọ na ngwụcha ahịrị dịka mmeju. Aha ndị a pụtara ihe dịka ahịrịokwu zuru oke. Ọzọ, aha ndị a gbasọrọ usoro ndokọ ahịrịokwu Igbo nke bụ isiahịrị, ngwaa na mmeju.

Ọ bụ ezie na e lee anya na ndokọ aha ụfọdụ, ọ dị ka ọ bụ naanị aha na aha mebere ha, dịka: Nwa+akụ →Nwaakụ; Nwa+ọna →Nwaọna; Nwa+ọha →Nwaọha, dịrị gaba. E lemie ya ha anya nke ọma, a ga-ahụ na aha ndị a bụ naanị mpụtara elu ha ka e dere. Aha ndị a pụtara:

[15] Ụbahakwe, *Igbo Names*, 96.

"Nwa bụ akụ', 'Nwa bụ ọna' 'Nwa bụ nwa ọha'. Nkọwa ndị a, ndị gosipụtara mpụtara emiriemi aha ndị a, gosiri ha dịka ahịrịokwu ndị nwere mpụtara zuru oke.

AHA 'NWA' DỊKA O SIRI METỤTA ỤDA NA MKPỌPỤTA

Ụfọdụ mgbanwe na-apụta ihe oge a na-akpọpụta aha 'nwa'. Tụlee aha ọmụmaatụ ndị a:

5. Nwá + ùgò → Nwúùgò → Nwúgò
   Aha + aha
6. Nwá + ọ̄bī → Nwóọ̄bì → Nwóbì
   aha + aha
7. Nwá+údo → Nwúúdọ̄ Nwúdọ̄
   aha + aha

E leruo anya n'aha ndị e depụtara, a ga-ahụ na e nwere mgbanwe abụọ pụtara ihe na ha. Mgbanwe ndị a na-agba elu ma a na-ekwu okwu ọsọọsọ. Mgbanwe ndị a bụ olilo na ndapụ ụdaume. E lechighaa anya n'aha atọ ndị e depụtara: Nwaugo → Nwuugo → Nwugo; Nwaobi Nwoobi → Nwobi → Nwaudo → Nwuudo → Nwudo, a ga-achọpụta na ụdaume ndị nọdebere onwe ha n'aha atọ ndị a bụ /a, u; a, o; a, u/. N'aha nke ise, /u/ gbanwere ụda /a/ ma were nke ya tinyechie; ọ bụkwa otu ihe ahụ ka /o/ na /u/ mere**,** /a/ na /a/ mere n'aha nke isii

na nke asaa. Ihe e nwere ebe a bụ olilo azụ, ya bụ**,** na ụdaume ndị nke abụọ chighara azụ loo ụdaume ndị bu ha ụzọ. Otu ihe ọzọ pụtakwara ihe bụ ndapụ ụdaume. A na-akpọpụta aha ndị a ọsọọsọ a ga-achọpụta na otu n'ime ụdaume abụọ ndị ahụ nọkọrọ ọnụ dapụrụ adapụ. Ọ bụ ụdị ndapụ a ka a na-akpọ ndapụ ụdaume.

NTỌSASI AHA 'NWA' DỊKA O SIRI METỤTA OMENALA IGBO

Aha ndị Igbo metụtara n'ebe ọ pụrụ iche, nkwenye na omenala ha di iche iche (Hụ Mataebere[16]). Na nkega a, a ga-eleru anya n'ụfọdụ nkwenye na omenala Igbo gbara elu n'aha 'nwa'. A ga-eme nke a site n'ilebanye ha anya n'okpuru ndịnisiokwu ndị a: nkwenye n'ebe nwa nwoke na nke nwaanyị nọ, uru nwa, onye nwe nwa, oge nwa ji bịa, ihe a tụrụ anya n'aka nwa,

'nwa' dịka o siri metụta mmekorịta mmadụ na ibe ya**,** tinyere arịrịọ metụtara 'nwa'.

AHA 'NWA' DỊKA O SIRI METỤTA ỤMỤNWOKE NA ỤMỤNWAANYỊ

Ọ bụ ezie na e nwere ọtụtụ aha ndị ụmụnwoke na ụmụnwaanyị na-azakodo ọnụ. Nchọpụta naegosi na e nwere ụfọdụ aha 'nwa' ndị ọ bụ naanị ụmụnwoke na-aza ha, ma nwekwa ndị ọ bụ naanị ụmụnwaanyị na-aza. Leruo anya n'aha ndị na-esonu:

8. Nwá + á +kọ̄ + nà + òbí
   Aha + nganihu + isingwaa + mbuụzọ + aha
   Nwaakọnobi (kama ọ kọ na mkpuke)
9. Nwá + óké + dì aha + aha + isingwa
   Nwaokedi
10. Ọ̀ + bụ̀ + ókwú + nwā
    Ajụjụ + isingwaa + aha + aha
    Ọbụokwunwa
11. Áhī́á + á + zụ̄ + nwā

[16] Iwundu, Procreation and the Igbo Thought,87-98.

Aha + nganihu (njụ) + isingwa + aha
Ahịaazụnwa

E lee anya n'aha ndị a e depụtara, aha nke asatọ na nke itoolu bụwaga aha a na-agụ ụmụnwoke. 'Nwakọnobi' bụ aha ndị Igbo ji echetara onwe ha mkpa ọ dị ịmụta nwa/ụmụnwoke, onye/ndị gaanọchi obi ha dịka omenala Igbo siri dị. N'ebe ndị Igbo nọ, nwa nwere ike ịkọ na mkpuke (ya bụ nwa nwaanyị) mana ọ gaghị akọ n'obi. Ọ bụ nkwenye na nwa ga na-anọrịrị n'obi dịka omenala Igbo siri dị butere ndị Igbo ime alụmdi na nwunye n'ụdị di iche iche iji hụ na ama ha echighị. Aha nke itoolu (**9**) sonyekwara n'otu nkwenye ahụ. Onye gụrụ aha a na-ekwusi ike n'enweghị ụjọ ọbụla na ya mụtara nwa/ụmụ nwoke. Nwa/ụmụnwoke na-enye nna ezinaụlọ ọṅụ na obi iru ala n'ihi na o nweela onye ga-anọchi obi ya ma ọ nwụọ. Ọzọ, ọ bụ ụmụnwoke ka e ji okwu a bụ 'oke' were akọwa. Nke a mere na nwaanyị adighị aza ụdị aha a dịka ahaaka ya.

Aha nke iri (**10**) na nke iri na otu (**11**) bụwaga aha ụmụnwaanyị. Aha ndị a dịka nchọpụta gosiri bụ aha gosiri mwute. Aha nke iri (**10**) bụ aha e jiri gọpụrụ 'nwa' na ọ bụghị ya mere onwe ya nwaanyị. Aha nke iri na otu (**11**) bụkwa aha e jiri kwa arịrị na nwa adighị azụ n'ahịa n'ihi na ọ bụrụ na nwa na-azụ n'ahịa, onye gụrụ ya bụ aha gaara ịga zuta nwa nwoke. Oyeka[17] nyere nkọwa gbasara ụmara ndị Igbo n'ebe ụmụnwoke na ụmụnwaanyị nọ, site n'ikwu na otụtụ oge, ọ bụrụ na a mụọrọ ezinaụlọ ihe dịka nwaanyị atọ, ha nwere ịke ịgụ nwa nwaanyị nke anọ bịara ha ụwa 'nwaanyịerie', nke pụtara na nwaanyị, nke abụchaghị ụdị nwa nke ha kara chọọ akarịala; mana ọ bụrụ nwa nwoke, e nwere ike ịgụ nwa nwoke nke asaa aha ndị a: 'Igweọnụ', 'Igwebụike'. 'Ụbaka', dịrị gaba. Nke a gosipụtara ụmara ndị Igbo n'ebe nwa nọ. Ụmara a gbadoro ụkwụ rie nne n'ebe nkwenye na omenala ndị Igbo dị. Ọ bụ ezie na ndị Igbo ụfọdụ na-agụ aha ndị a: 'Nwabụnwa' na 'Nwabuotu'. Nke bụ eziokwu n'ime ya bụ na e were aha ndị a dịka nke ndị mmadụ ji akasi onwe ha obi n'ihi na ha amụtaghị nwa nwoke. Nwoke Igbo ọbụla chọrọ nwa nwoke ga-anochi obi ya.

AHA 'NWA' DỊKA O SIRI METỤTA URU

Ụfọdụ aha 'nwa' na-egosipụta uru nwa bara na ndụ ndi Igbo. Leruo anya n'aha ndị a:

12. Nwá + gbò + rò + íwé
aha + isingwaa + nsonazụ + aha
Nwagboroiwe
13. Nwá + gbò + rò + ọ̀gụ̀
Aha + isingwaa + nsonazụ + aha
Nwagborogụ
14. Nwá + bū + ǹdò
aha + isingwa + aha
Nwabụndo
15. Nwá + bụ̄ + ọ̄nà aha + isingwaa + aha
Nwabụọna

Dịka a kọwarala na mbụ, ezinaụlọ enweghị nwa adighị enwe obi aṅụrị dịka ọ dị n'omenala Igbo. Oge ụfọdụ, ọnọdụ amụtaghị nwa na-ebute ụdị ọgụ dị iche iche, ma nke e ji ọnụ were

[17] Oyeka, Sexism in Names, 9-24.

alụ ma nke e ji aka were alụ, n'ihi na onye ọbụla na-achọ ịgọrọ onwe ya na ọnọdụ amụtaghị nwa esighị n'aka ya. Oge ezinaụlọ dị etu a mechara mụọ nwa, iwe na ọgụ na-ala. Ọ bụ n'ihi ụdị ahụmihe a ka ndị Igbo ji agụ aha ndị dị na 12 na 13 n'elu.

Ndi Igbo na-ekwu n'okwu na 'Ọgịrị kaba nka, ọ ǹụba ụmụ ya ara'. Ọzọkwa, a rụọ n'anwụ, e rie na ǹdò. Ekwumekwu ndị a metụtara aha nke 14. Ndị Igbo na-enwe nchekwube na oge ọbụla ha kabara nka, na ha ga-agbaba n'ebe ụmụ ha nọ iji zere ndo. Ọ bụ n'ihi nke a ka ha ji enye ụmụ ha ezi ọzụzụ. Oge a na-enye ọzụzụ a bụ oge ịrụ n'anwụ. Oge ha kabara nka, ha na-eri uru ọzụzụ ha zụrụ ụmụ ha, nke a bụ iri na ndo. 'Ọna' mọọbụ 'Ọla' dịka olundị siri dị bụ ihe di oke ọnụ.Ọ bụ n'ihi nke a ka e ji enye ya ezi nchekwa. Ọ bụ n'ihu uru nwa/ụmụ bara n'ileta nne na nna ha, inye ha obi aǹụrị, ime ka alaka ha gbasaa na inọchi obi ha ka ndị Igbo jiri were 'Ọna' were tụnyere nwa dịka ọ dị n'aha nke 15.

AHA 'NWA' DỊKA O SIRI METỤTA N̄NWE (ONYE/IHE)

Ụfọdụ aha metụtara 'nwa' na-arụjere arụsị mọọbụ Odogwu aka dịka onye nwe ya bụ nwa. Ọmụmaatụ bụ:

16. Nwá + N̄gwù
    aha + aha
    Nwangwu
17. Nwá + àfọ̀
    aha + aha
Nwaafọ
18. Nwá + díke aha + aha Nwadike

N'aha ndị a e depụtara, e jiga 'Ngwu', 'afọ', na 'dike' wee gosi enwemenwe. Ụbahakwe[18] nyere nkọwa na n'Ụmụnze, nke dị na nkewa Agụata, na ọ bụ 'Udo' nke bụ arụsị ndị Ogbe Ubaha nwe Afọ (ya bụ ahịa afọ), ebe arụsi 'Ngwu' nwe Orie. N'itinye nke a n'ụzọ ọzọ, e nwere ike ịsị na ọ bụ arụsị ndị a kpọrọ aha n'aha ọmụmaatụ nke 16 na 17 n'elu nwe ụmụ a gụnyeesre aha ha, ebe onye bụ odogwu mọọbụ dike nwe nwa nke a gụrụ aha nke 18.

AHA 'NWA' DỊKA O SIRI METỤTA OGE

Ndị Igbo bụ ndị ji oge were kpọrọ ihe. Aha 'nwa' ụfọdụ metụtara oge. Lerue anya n'aha ndị a:

19. Nwá + Òlìsà
    aha + aha
    Nwaolisa

20. Nwá + bị̀à + rà + ná + mḿmā̄
    Aha + ngwaa + nsonazụ + mbuụzọ + aha
    Nwabịaranamma
21. Nwá + dì + nà + ìgwè
    Aha + isingwaa + mbuụzọ + aha
    Nwadinigwe
22. Nwá + à + lọ́ + tá
    aha + nganihu + isingwa + nsonazụ
    Nwaalọta.

[18] Ụbahakwe, *Igbo Names*, 108.

Aha nke 19 dịka nkọwa e nwetere siri dị, gosiri na oge a mụrụ nwa a gụrụ aha a bụ ụbọchị a naeme mmemme Olisa. Ọ bu n'ihi nke a ka e jiri gụnyere nwata ahụ aha arụsi bụ 'Olisa'nke putara na e nwekwara ike webata aha a n'okpuru aha ndi metutara nnwe (ọ̄nye) . Aha nke 20 gosikwara na ọ bụ ụbọchị mmemme ka a mụrụ ya bụ nwa. Ọ bụ ezie na a gụnyeghịrị nwata a aha mmemme a na-eme n'ụbọchị a mụrụ ya, mana nkọwa aha a na-egosi na a mụrụ nwata a gụrụ aha a oge ndị mmadụ nọ n'aṅụrị . Aha nke 21 na-egosi na ọ bụghị naanị otu nwa ka a mụrụ, kama na ha biara n'igwe, nke gosiri na o nwere ike bụrụ site n'ụmụ atọ dịrị gaba. Aha a gosikwara na ndị ọcha abịala, ekpemekpe ụka malite, tupu a mụọ ụmụ a nke a gụrụ onye nke bu ụzọ pụta 'Nwadinigwe'. O doro anya na tupu obịbịa ndị ọcha, na ndị Igbo na-egbu ụmụ ejima. Aha nke 22 gosiri na nne na nna mụrụ nwa a gụrụ aha a chere ọtụtụ oge tupu nwa were bịa. Ọ bụ nke a ka ha jiri were aha a gosipụta nkwenye ha na o nwere ebe nwa jere n'oge ahụ ha nọ na-eche. Ọ bụrụ mgbe a mụrụ nwa ka ha kwenyere na nwa ha esila na njem o mere kemgbe were lọta.

AHA 'NWA' DỊKA O SIRI METỤTA MMEKORỊTA MMADỤ NA IBE YA

Ndị Igbo na-eji ụfọdụ aha 'nwa' egosipụta mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Iji maa atụ:

23. Ùzọ̀ + é + jì + nwá + á + dị + ghị + è + chí
aha + nganihu + isingwa + aha + nganihu + isingwaa + njụ + nganihu + isingwa
Ụzọejinwaadịghịechi
24. Nwá + n̄ne̋ + kà aha + aha + isingwaa
Nwanneka
25. Nwá + a̋ + dị + nà + ụbụ́
aha + nganihu + isingwaa + mbuụzọ + aha
Nwaadịnụụbụ

N'ebe ndị Igbo nọ, ọ bụ nwa bụ isi ije n'alụmdi na nwunye. Ọ bụrụgodu na e nwee ka esemokwu siri dapụta n'etiti di na nwunye nwere nwa/ụmụ, nke na e dozitaghị ya, ha wee gbaa alụkwaghịm, ndị Igbo kwenyere na alụkwaghịm a apụtaghị na ihe gbasara ezinaụlọ abụọ ụmụ ha lụrụ di na nwunye abịala n'isi njedebe. Oge ọ bụla e nwere emume, karịchaa, nke akwamozu, n'otu n'ime ezinaụlọ ndị a jikọtaburu ụmụ ha dịka di na nwunye, ndị nke ọzọ ga-eji maka ụmụaka ahụ gaa ya bụ mmemme. Ọ bụ n'ihi nke a ka ndị Igbo ji ekwu n'okwu ma na-agụ n'aha na 'Ụzọejinwaadịghịechi. Aha nke iri 24 metụtakwara nkwenye ndị Igbo. Ọnụkawa[23] kọwara:

> Dịka o siri metụta ndụ a na-ebi kwa ụbọchị, ọ bụ naanị ụmụnne naerikọta nri ọnụ, rahụkọdo ụra ọnụ ma ketakọdo ekpe ọnụ n'odinihu. N'ezie, ọ bụ mmekọrịta ụmụnne bụ nke kacha di nso ndị mmadụ nwere ike iwube. Ndị nwere mmekọrita di etu a ga na-ekpuchite onwe ha n'ụfọdụ ihe (dika ndọrọndọrọ ọchịchị na ekpemikpe) metụtara ndị ezi.

[23]Ọnụkawa, Kwe-Names, 108-109.

E nwere ike iji ekwumekwu ndị Igbo nke bụ na "izu ka mma na nne ji" were chikọta nkọwa Ọnụkawa nyere. Nkọwa a chikọtara aha nke 24, nke na-ekwu na ọ dighị ihe ka nwanne.

Aha nke 25 nwere mpụtara abụọ. Mpụtara nke ọ bụla dabara n'ihe onye gụrụ aha bu n'uche were gụọ aha nke ya. Mpụtara nke mbụ bụ ụzọ mmadụ si anya isi, na ọ bụrụgodu na o nwee ka ihe ike siri mee ya, ndị mmadụ abụsaa akụnaụba ya, na o nweghị ihe ga-eme ụmụ ya n'ihi na 'nwa/ụmụ' esoghị n'ihe mmadụ ọzọ ga-asị na ya bụtara n' ụbụ. N'akụkụ nke ọzọ, aha a bụkwa aha mmadụ ji egosi obi mwute n'ihi ọnọdụ ọmụmụ dobere ya na ezinaụlọ ya. Etu ọ dị onye gụrụ aha a, ọ bụrụ na nwa/ụmụ dị n'ihe ndị a na-abụta n'ụbụ, ọ kaara ịbụta ụmụ ole ga-ezuru ya, ma nwoke ma nwaanyị dị ya.

AHA NDỊ METỤRỤ AKA N'IHE ATỤRỤ ANYA N'AKA NWA

Ndị Igbo si n'aha ha na-agụ egosipụta ihe ha na-elegara anya n'aka nwa ha mụrụ. Tụlee aha ndị a na-esonu: 26. Nwá + ọ́má aha + nkọwaaha
Nwaọma

27. Nwá + ǹgàǹgà
aha + nkọwaaha
Nwanganga

28. Nwá + pụ̄ + rụ̄ + íchè aha + isingwaa + nsonazụ + aha
Nwapụrụiche

Aha nke 26 na-egosi na a tụrụ anya na nwa a gụrụ aha a ga na-akpa ezi agwa ma bụrụ ezi nwa. Aha nke 27 na 28 na-egosi na a tụrụ anya n'aka ụmụ a gụrụ aha ndị a na ha ga-apụ iche n'ebe ụmụaka ndị ọzọ nọ site n'ime ihe dị ịtụnaanya, nke na ndị mụrụ ha na ikwu na ibe ha ga-eji ha naakpa nganga.

AHA 'NWA' NA-EGOSIPỤTA ARỊRỊỌ

Ụfọdụ aha 'nwa' na-egosipụta arịrịọ. Arịrịọ ndị a bụ ụzọ onye/ndị gụrụ ya bụ aha si egosipụta ihe bụ mkpa ya/ha, nke ha chọrọ ka nwa ha mụrụ gbooro ha. Omụmaatụ bụ:

29. Nwá + wù + lú
aha isingwaa + nsonazụ
Nwawulu

30. Nwá + nọ̀ + sí + é + íkè
Aha + isingwa + nnọnime + nsonazụ + aha
Nwanọsieike

31. Nwá + á + kọ́ + la̱ + m
Aha + nganihu + isingwaa + nsọnazu (njụ) + nnọchiala
Nwaakọlam

Aha ndị a bụ aha e jiga were rịọ arịrịọ. Aha 29 na 30 bụ ụzọ e si wee rịọ ka nwa a mụrụ ghara ịnwụ, ka ọ nọdosie ike ma wuo ezinaụlọ nna ya. Onye gụrụ aha nke 31 ji aha a rịọ ka nwa ghara ịkọ ya. Ọ bụ n'ihi uru nwa/ụmụ bara ka e jiri rịọ arịrịọ a. Ọzọ, ndị Igbo kwenyere na onye nwere mmadụ ka onye nwere ego n'ihi na akụ adighị eje ozi niile mmadụ nwere ike ije.

MGBANWE

Ndị Ọgbaraohụrụ bubatara ọtụtụ mgbanwe n'ebe ahaaka Igbo dị site n'ịdị na- akpọbiri ha akpọbiri. Mkpọbiri aha ndị a na-eme ka mpụtara ha ghara igba elu nke ọma. Ọ na-ebute enweghị ezi nghọta aha ndị a nke na-egbochi ndị mmadụ ịmami ime, ihe gbasara ndokọ, mpụtara, nkwenye na omenala ndị gụrụ ya bụ aha bu n'uche were gụọ ya. Ụfọdụ aha mkpọbiri a bụ:

AHA NWA	**MKPỌBIRI YA**
32. Nwaakọnoobi	Nwakọ
33. Nwadịụsọ	Ụsọnwa
34. Nwabụugo/Nwabụnwanne/Nwabụụwa	Ugonwa/Nwabụ
35. Nwakaego	Nwaka
36. Nwabụude	Nwabụ
37. Chinenyenwa	Chiichii/Nenye/Chinenye

E lee anya n'aha ndị a, a ga-ahụ na mkpọbiri a kpọbiiri ha gbubiri mpụtara ha. Iji maa atụ bu 'Nwakọ' na 'Nwabụ'. Mgbagwojuanya dịịrị onye nwere mmasị n'asụsụ n'ebe aha ndị a dị. Ajụjụ ndị o nwere ike ịjụ bụ ndị a: Nwa akọ n'ebe e? Nwa bụ gịnị? Ọ bụrụ na a kpọruo aha ndị a n'ozuzu oke ha, ọ ga-enye aka iwepụ mgbagwojuanya ndị a, ma mee ka mpụtara aha ndị a pụta ihe nkeọma.

NT ỌSASỊ

Ọ bụrụ na e lerue anya n'aha 'nwa' dịka o siri metụta ụtọasụsụ, a ga-ahụ na ndokọ ha dabara na ndokọ ụtọasụsụ Igbo. Ọ bụ ezie na ụfọdụ n'ime ha bụ ndokọ elu ka a na-ede, mana e lee anya na ndokọ emiremi ha, a ga-achọpụta na ha bụ ahịrịokwu nwere nghọta zuru oke. Ọmụmaatụ e nyere n'aha nke 5 ruo nke 7 gosiri naolilo na ndapụ ụdaume na-agba elu n'aha ndị a.

A bịa n'etu aha ndị a siri metụta nkwenye naomenala Igbo, aha nke 8 were ruo na nke 10 na otu gosipụtara na e nwere aha 'nwa' ndị e mebere maka naanị ndị nwoke, nwekwa ndị e mebere maka ụmụnwaanyị. Aha ndị a hibere isi n'omenala ndị Igbo. N'ebe ndị Igbo nọ, nwaanyị dụrụ adụ mana o pughi epu. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụ ezie na a mụrụ nwaanyị n'otu ezinaụlọ, a na-ele ya anya na ọ ga-alụ di otu ụbọchị ma hapụ ezinaụlọ nna ya. Ọ bụkwa nke a mere e ji asị na 'Onye nne ji ya na nwaanyị bi naanị ya'. Naanị nwoke na-ebichi obi nna ya. Ọ dịkwa mkpa ịrụtụ aka na e nwere aha 'nwa' ụfọdụ ụmụnwoke na ụmụnwaanyị na-azakọ ọnụ. Ụfọdụ n'ime ha bụ: Nwadịuru, Ụbanwaka **na** Nwakaakụ.

E si n'aha ndị metụtara uru nwa bara, ya bụ aha nke 12 ruo 15, were gosipụta na nwa naegbo iwe na ọgụ amụtaghị nwa na-ebute. Ọzọ, nwa dị oke ọnụ ma na-eche ndo oge 'anwụ' nke nka butere malitere ịma mmadụ. Aha nke 16 ruo 18 gosiri nkwenye ndị Igbo na arụsị mọọbụ Dike nwere ike inwe nwa.

Aha nke iri na itoolu ruo nke 22 gosipụtara oge e ji mụọ nwa. Oge a metụtara oge mmemme, oge e cherela ịmụta nwa ọtụtụ oge, tinyere oge mọọbụ etu ụmụaka siri bịa, dịka ndị bịara n'igwe. E ji aha nke 23 ruo 25 were gosi ọrụ nwa na-arụ n'ebe mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị. E si n'aha ndị a gosi nkwenye ndị Igbo, na ụzọ e ji nwa anaghị emechi emechi. Ọzọ, ọ bụ

mmekọrịta nwanne karịrị ụdị mmekọrịta niile ndị ọzọ. Ndị Igbo kwenyere na nwa esoghi n'ihe nkịtị mmadụ nwere ike ịbụta n'ụbụ.

Aha nke 26 ruo 28 gosiri na ọ bụghị na a mụtara nwa bụ isiokwu, kama na e nwere ụfọdụ ihe a na-ele anya ya n'aka nwa a mụtara. Ihe ndị a bụ ezi agwa na ime ihe tụrụ n'anya karịa ndị ọgbọ onye ahụ. Ọ bụ oge ihe ndị a mezuru ka a na-ewe ya na amụma e buru n'isi nwa, site n'ụdị aha e nyere ya emezuela.

Usoro aha nke ikpeazụ, ya bụ, aha 29-31 na-egosi arịrọ. Arịrọ ndị a gosiri na ndị gụrụ aha ndị a ahụla ọtụtụ ihe na ndụ, ndị nwere ike bụrụ atụghị ime n'oge mọọbụ a tụọ e jighi. Ọ bụ n'ihi nke a ka ha ji rịọsie ike ka ụmụ a gụrụ aha ndị a nọdụrụ ha ndụ, ma nọsie ike iji wulie obi ha. Aha ndị a, ma e wezuga aha nke 31, gosiri na ọ bụ ụmụnwoke ka a gụrụ ha. Nchọpụta gosiri na ụfọdụ ụmụ Igbo na-akpọbiri aha 'nwa' akpọbiri dịka ha si eme ụfọdụ aha ndị ọzọ. Ịkpọbiri aha ndị a bụ igbubiri mpụtara ha na itinye mgbagwojuanya oge ụfọdụ. Ọ bụrụ na ndị Igbo akpachaghị anya, oge na-abịa mgbe ndị mmadụ agaghị echetazị mpụtara aha ndị a n'ihi mkpọiri a na-eme ha.

NCHỊKỌTA

Ọrụnchọcha a lebara anya n'aha 'nwa' site n'ileru anya n'etu aha ndị a siri metụta ụtọasụsụ, nkwenye na Omenala Igbo. Nchọpụta gosiri na ndokọ aha ndị a dabara n'ụdị ndokọ a na-enwe n'ụtọasụsụ Igbo. Olilo na ndapụ ụdaume so n'ihe ndị gbara elu n'aha ndị a.

Ndị Igbo si n'aha ndị a egosipụta ọtụtụ ihe. Nke mbụ bụ mkpa ọ dị na ama echighi. Ọ bụ naanị site n'ọmụmụ ka ndị mmadụ si enwete ndị ga-anọchi ha ma ha bichaa ndụ ha n'eluụwa. E si n'aha ndị egosipụta uru di iche iche nwa bara. Ọ bụ ezie na 'Nke ọ bụla bụ nwa'; na ndụ nwoke ọdịnala Igbo, nwa nwoke dị nnukwu mkpa n'ihi na ọ bụ nwoke na-ebichi ngwuru nna ya dịka omenala siri dị.

Nkwenye na ofufe sokwa n'ihe ndị gbara elu n'aha ndị a. Ọ bụ nkwenye ndị Igbo n'arụsị di iche iche nwe ahịa ka ha ji eji aha arụsị ndị a were agụ ụmụ ha aha. Aha ndị a metụkwara oge, mmekọrịta mmadụ na ibe ya na ihe ndị a na-atụ anya n'aka nwa a mụrụ. E jikwa ụfọdụ aha ndị a were rịọ arịrọ ka nwa a mụtara nọrọ ndụ.

Ndị mere ọrụnchọcha a kwenyesiri ike na ịkpọbiri aha ndị a na-emetụta mpụtara ha. Ọ bụ n'ihi nke a ka ha jiri depụta ma kọwaa ụfọdụ n'ime aha ndị a metụtara 'nwa'. Ndetu aha ndị a bụ otu ụzọ gbara ọkpụrụkpụ iji chekwaba ha. Ọ dị mkpa ndị Igbo ịga n'ihu n'ịgụ ụmụ ha aha nwa n'ihi oke uru aha ndị a bara.

Edensibịa

Emeka-Nwobia, N. Dynamics of Onomastic in Afikpo Igbo Society. *Research on Humanities and Social Sciences*.Vol. 6. (12). (2016):95-103. (retrieved on 18/1/2017).

Mataebere Iwundu, Procreation and the Igbo Thought Through Names, *Igede Igbo.*Vol. 1. (1). 2000.

Nzeakọ, Tagbo, *Omenala Ndi Igbo***.** Onitsha: University Press, 1976.

Ogbalu, Chidozie, *Omenala Igbo. The book of Igbo Customs*. Lagos. Academy press, 1979.

Ofomata, Chinedum, *Omenala na Odinala Ndi Igbo*. Enugu: Format Publishers, 2012.

Okafor, Emeka & T. Inyiama, *Igbo Personal and Title Names.* Enugu: New Generation Books, 2008.

Onukawa, Monday Chibudo, An Anthropolinguistic Study of Igbo Market-Day Anthroponyms. *Journal of African Cultural Studies* Vol.11 (1). 1998.

Onukawa, Monday Chibudo, Anthropolinguistic Evidence of the Evolution of Chi Names. *Igbo Journal of Asian and African Studies*, (58) 1991.

Onukawa, Monday Chibudo, Kwe-Names and the Complementary Dual Concepts in Igbo.*Igede: Journal of Igbo Studies,* 2000.

Onukawa, Monday Chibudo, Death A Male-Specific Concept in Igbo Gender Naming. Lore and Language: Journal of the National Centre for English Cultural Tradition. Vol 17. (2). 2003.

Onukawa, Monday Chibudo "Gịnị bụ aha Gị: Topical Issues on Personal Naming in the Igbo Society." *Inaugural Lecture of Abia State University*, 24th August, 2016.

Oyeka, Chiamaka, Sexism in Names: A Critical Analysis of Male and Female Names in the Traditional Igbo Society. *Ideal International Journal of Igbo Scholars Forum, Nigeria*. Vol. 4(1), 2017.

Ụbahakwe, Ebo, *Igbo Names: Their Structure and Meaning.* Ibadan: Day Star, 1981.

Ụbahakwe, Ebo, Culture Content of Igbo Personal Names. C. Ogbalụ and E Emenanjo (Eds.) *Igbo Language and Culture*. Ibadan: University Press, 1982.

Ubesie, Tony Uchenna, *Odinala Ndi Igbo.* Ibadan: Oxford University Press.